# KEN NA EBEL

**Jenesis 4:3-16**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 4 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Chọnu JEHOVA mgbe anāchọta YA" (Aisaia 55:6).**

### Èzínaụlọ Mbụ Ahụ

Mgbe Adam na Iv ghọrọ nnenanna nke Ken, o wee bụrụ nke mbụ anaamụta nwa nime ụwa. Lee mbulielu dị ukwuu nke Chineke buliworo Iv -- "nne mmadụ niile nwere ndu" (Jenesis 3:20). N'oge náadịghị anya, otù nwa nwoke nke abụọ onye akpọrọ aha ya Ebel wee mee kwa ka obi tọọ èzínaụlọ mbụ a ụtọ.

Náagbaghị agụgọ, Adam kuziri ụmụokoro ntà abụọ ndịa ịlụọlụ mgbe ha tolitere. Ọ naalụọlụ mgbe niile -- ọ naakọ alaubi; ọ naasụchasị kwa ogwu na uke niile n'ala ubi ahụ; ọ naazụ̀ kwa ìgwè ehi na atụrụ. Ọ bụ Ebel na eduru ìgwè atụrụ ahụ jee n'ebe ịta nri, jee kwa na mmiriiyi, naeche kwa ha nche ka anụọhịa jọgburu onweha ghara ịmerụ ha arụ. Ken naalụọlụ n'ogige ubi náalụ kwa ọlụ n'ala ubi.

### Inye Chineke Onyinye

Ọ bụ ezie na enyebeghị iwu n'oge ahụ, eleghị anya Chineke agwaworị Adam ka o weta ihe mbụ nke anụụlọ ya ka ọ bụrụ àjàmkpuchi mmehie, n'ihi na Chineke mesịrị nye nke a n'Iwu. Naagbaghị agụgọ, Adam kụziiri ụmụ ya ụzọ esi éfè Chineke. Dịka n'ụbọchị taa mgbe nne na nna bụ́ NdịKraist naeso n'òfùfènrò n'ụlọukwuu Chineke naekpeekpere, naagụ kwa Baịbụl, ụmụ ha naejeso kwa nzọụkwụ ha. Ụmụ ntakịrị ndị nnenanna ha náadịghị eje nzukọ, náelefuru ikpeekpere, na ịgụ Okwu Chineke anya, naeso kwa ajọ ụkpụrụ nke ndị nne na nna ha, ndị naadịghị elezianya na ndị náenweghị nzọpụta.

Otù ụbọchị Ken na Ebel wetaara Jehova onyinye ịnata iruọma ha, nke naegosi na ngọzi Chineke dị ha mkpà. Ken naalụsị ọlụ ike n'ogige ubi ya, o wetakwara ụfọdụ nime mkpụrụ osisi na akwụkwọ nri nke si n'ubi ya inye Chineke dịka onyinye. Site na mkpụrụ nke ala, bụ́ ihe pụtara na ndọgbu ọ naadọgbu onweya n'ọlụ, ọ chọrọ ịnata iruọma n'aka Chineke site n'ọlụ ya. Ebel wetara otù nime anụụlọ nke eburu ụzọ mụ sitere n'igwè ewu maọbụ atụrụ ya nye Jehova. Eleghịanya o leziri anya ịrọpụta nke kachasị mma n'etiti anụụlọ niile ahụ. Ọ gaabụ kwa na o leziri anya zụ̀a nwa atụrụ maọbụ ewu ahụ eburu ụzọ mụ ime ka ọ bụrụ "àjà kachasị nma" nye Chineke.

Ihe ọ bụla anyị naemere Ya, aghaghị ịbụ nke kachasị mma. Ka anyị ghara inye Ya ihe ahụ nke naefughị anyị ihe, n'ihi na Chineke adịghị awụsa ngọzi Ya n'ụdị onyinye dị otú a.

Mgbe emesịrị anyị chọpụtara na Chineke nyere ụmụ Israel iwu na onyinye ha gaabụ nwaatụrụ "nke zuru òkè, oké nke gbara otù arọ: n'etiti atụrụ maọbụ n'etiti ewu ka unu gēsi weputa ya" (Ọpụpụ 12:5). Eleghịanya Chineke ekwuwo okwu nime obi Ebel wee gwa ya ka o lezie anya ịhụ na onyinye ọ naeweta bụ́ àjà zuru òkè. Ihe a niile naatụ̀ aka ụbọchị ahụ Jisọs, bụ́ "Nwa-aturu Chineke," naenweghị ntụpọ gaenye ndụ Ya dịka àjà n'elu obe Kalvarị ka ewee gbapụta ndị mmehie

### Eziokwu ahụ Na Ụgha ahụ

Ọbụná n'oge a nke bụ́ oge mmalite, anyị naahụ ụdị okpukpé abụọ - ezi okpukpé nke nwere ọbara mkpuchi mmehie nime ya, na okpukpé ụgha, nke ọbara náadịghị na ya nke náachọ kwa ịgụ mmadụ n'onye eziomume site n'ọlụ dị icheiche. Ọ̀ bụ àjà onye ka Jehova naara? Jehova wee "lee Ebel, lee kwa onyinye-ịnata-iru-ọma-ya, anya ọma: ma Ken na onyinye-inata-iru-ọma-ya, O leghi ha anya ọma." Chineke lebara anya nime obi ndịkom abụọ ndịa, dịka Ọ naele kwa anya nime obi ụmụmmadụ taa.

### Ihe ahụ nke Dị Iche

Okwu Chineke naakụzi na "ọ buru kwa na nwusi ọbara adigh mgbaghara nmehie adigh" (Ndi Hibru 9:22). Anyị naagụta kwa sị, ma asị na okwukwe adịghị ọ bụ ihe anaapụghị ime, bụ́ ime ihe gaatọ Chineke ezi ụtọ. Ebel wetara onyinye nke anaaghaghị iwusị ọbara na ya, ma ya onweya bịakwara n'okwukwe. Nke ahụ naegosi na o kwere na ụzọ nke Chineke kachasị mma ma zi kwa ezi. Ma anyị gụrụ banyere Ken na o "biliri imegide Ebel, bú nwa-nne ya, we gbue ya" "Ọ̀ bu kwa n'ihi gini ka o gburu ya? N'ihi na ọlu-ya jọrọ njọ, ma ọlu nke nwa-nne-ya ziri ezi" (I Jọn 3:12). N'ebe a anyị hụrụ ihe dị iche n'etiti Ken na Ebel.

### Onye Mbụ ahụ Egburu N'ihi Okwukwe

Ebel bụ nwoke mbụ nwụrụọnwụ, onye mbụ egburu n'ihi okpukpé, ma ọ nwụrụ nime okwukwe; site n'ụbọchị ahụ rue taa ọtụtụ nde mmadụ enyewo ndụ ha n'ihi okwu Chineke na eziomume.

**Obi Ọjọọ nke Ken**

“Ken we wee iwe di ọku nke-uku, iru-ya we gbarua.” Nzube niile nke obi ọjọọ ya nke jupụtara n’ekworo pụtara ìhè n’egedegeiru ya ,dị ka óké igweoji nke náakpụkọta onweha tupu ebili amaghariạ, wee bụrụ ihe ịdọakanántị nke iheegwù ahụ gaje ime. Mgbe mmadụ mere iheọjọọ ọ naapụta ìhè n’iru ya; ma mgbe mmadụ mere eziihe obiụtọ, ọñụ, na udo nke obi naapụta kwa ìhè n’iru ya.

**Mkpuchi**

Ọzọ anyị gụrụ na Ken kwuru okwu ụgha iji zobe igbu mmadụ nke o gburu. Ọtụtụ mgbe, onye ọ bụla nke nwara ime otù mmehie gaachọ iji okwu ụgha kpuchie ya. Mmehie ọ bụla, ma ọ dị ukwuu ma ọ dị ntà, Chineke adịghị elefuru ya anya. Ọbara Ebel tiri óké mkpú nke rukwara ntị abụọ nke Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, O wee rịdata jụọ Ken ajụjụ banyere ya.

**Ahụhụ mmehie**

Chineke wee bụọ Ken ọnụ, wee gwa ya okwu sị kama ibi n’udo nime èzínaụlọ ya na n’etiti ụmụnna ya, ọ gaabụ onye ná awaghariạwagharị nááni ya n’akụkụ niile nke dị anya nke eluụwa. Lee óké amamikpé nke dakwasịrị ma náesokwa ya mgbe ọ “si n’iru JEHOVA pua,” biri n’ala Nọd, nke pụtara “Onye na-añaghari ná ọsọ n’uwa.” Ka oge naagefe ewe kpochapụ agbụrụ ya niile, nke náegosi na “uzọ ndi-nghọgbu bụ nání nkume” (Ilu 13:15).

**Mmehie Na Òtútó Ya**

Chineke agwaworị Ken, “ọ buru kwa na i megh nke-ọma, n’ọnu-uzọ ka nmehie nāmakpu dika anu-ọhia.” Mmehie naakpata ọtụtụ nime nsogbu niile náapụta ná ndụ ndị mmadụ. Ọ ganaabawanye ná ndụ onye mmehie, ọ bụrụ kwa na o chègharịghị, mmehie ahụ gaeduba mkpụrụobi ya n’ịlan’iyi ebighịebi. Ken bú ụzọ nwee ekworo, ọzọ, ọ kpalie esemokwu; o gbue mmadụ; kwue kwa okwu ugha. O nwere obiọjọọ, anyauhie, na aka náawụsị ọbara. Enyere yarị ohere ichègharị, ma kama nka, o kwere ka obiilu na ịkpọasị ya n’ebe nwanne ya nọ dị ukwuu ma sie kwa ike. Akwụkwọnsọ naekwu na onye ọ bụla nke “nākpọ nwa-nna-ya asi bu ogbu-madu” (I Jọn 3:15), n’ebe a ka anyị nwere ezi ihe yiri nke a. Mmehie nwere ike itóetó. N’otù ntabianya ka ọ gapụta ìhè n’ụdị ya dum, n’ike ọjọọ na ike dị egwù. Ọ dịghị akwụkwọ ọ bụla nke edewororị pụrụ ịkọwa nkeọma, ihe ọjọọ nke mmehie bụ, dịka Baịbụl. Mgbe nnenanna Ken bú Adam na Iv mehiere, mmehie ahụ wee dị ka ajọ anụmmiri nke nwere isi asatọ, nke tụgharịrị isi ya ahụ niile n’arụ agbụrụ nke mmadụ ndị gaesochita ha n’àzụ́.

**Ịñabiga Ntị Ókè**

Ka ndị niile náagụ akụkọ banyere Ken na Ebel lezieanya n’ụzọ ha ma tụọ kwa egwù ka ọbụná ntakịrị anyaukwuu maọbụ ịkpọasị ghara igbeba n’obi ha. Ma ọ bụrụ na ọ baa nime obi onye ọ bụla, náagbanyeghị otú ọ bụla o si dị ntakịrị, o nwere ike itóetó rue mgbe ọ ganaachị onye ahụ kpamkpam; nke bụ na ọ bụrụ na onye ahụ echègharịghị, ọ gaeduba ya ịbami ná nsọtụ ya, ma n’ikpeazụ ọ gaeduba onye ahụ n’ọkụalammụọ nke Ekwensu. Lee, ka o si dị mkpà inwe obi zuruòkè!

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ọ̀ bụ ụmụ ònye ka Ken na Ebel bụ?
2. Gịnị bụ ọlụ ha naalụ?
3. N’ụzọ dị añaa ka Ebel ji weta onyinye ịnata iruọma nke ka nke Ken mma?
4. Ònyinye onye ka Jehova lere anyaọma? N’ihi gịnị?
5. Òlee ụzọ nke a si metụta Ken, gịnị kwa ka o mere?
6. Gịnị bụ ahụhụ enyere ya?
7. Ken bụ onye amaara dịka onye mbụ gburu mmadụ. Àmaara Ebel dịka onye?
8. Ị̀ pụrụ ịkpọ aha ndịọzọ nyere ndụ ha n’ihi Oziọma?